# JOSEF NAEME KA ỤMỤNNE YA MARA YA
## Jenesis 43:15-34; 44:1-34; 45:1-15
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 38 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Site n'aka rue aka, agagh-agu onye ọjọ n'onye nēmegh ihe ọjọ: ma nkpuru ndi ezi omume gēwepuga onwe-ha" (Ilu 11:21).**

**I Ụkọ̀ Iheoriri na Ijéghachi Ijipt nke Ugbò Abụọ**

1. Ụnwụ ahụ nke naaga n'iru na njide nke Josef jidere Simeon dịka onyemkpọrọ mere ka ọ dị mkpà ijèghchi Ijipt ọzọ, Jenesis 43:1, 2, 15
2. Ụmụnne ya ahụ ndị nwere óké ọmụmaikpé nime obi ha enweghịike ịmata omume nke igosi ịhụn'anya ahụ nke Josef mere, Jenesis 43:15-22; Ilu 13:15; Ndi Rom 2:9
3. Onyenlekọta èzinaụlọ nke Josef, nwoke náatụ egwù Chineke, kasịrị ụmụnne ya ndị obi naalọmmiri obi, Jenesis 43:23-25

**II Ule nke Ugbò Abụọ Josef Lere Ha**

4. N'ikele Josef ekele ụmụnne ya iri na otù ahụ mezuru nnọọ nrọ̀ ibuamụma nke mbụ Josef rọrọ, Jenesis 43:26-28; 37:7, 8
5. Ọ naemetụ Josef ịkọwa onweya nye ụmụnne ya, kama o jiri amamihe náarapụ ime nke a, Jenesis 43:29-31
6. Josef na ụmụnne ya rikọrọnri dịka ndị akpọrọ oriri, Jenesis 43:32-34
7. Azụsiwo ahịa, ewee tinyeghachi kwa ego nime àkpà nke onye ọ bụla nime ha, tinye kwa ọkwá Josef nime àkpà nke Benjamim, Jenesis 44:1, 2

**III Mmalite nke Nlaghachi N'ijè Ha na Ihe Ịnọọdụ Ya**

8. Mmadụ irinaotù ahụ malitere ịlaghachị n'obodo ha ma akwụsịrị ha boo kwa ha ebubo na ha zuru ori, Jenesis 44:3-6
9. Ha ekwenyeghị n'ebubo ahụ, náagọpụ onwe ha dịka ndị ikpé náamaghị rue ọgwụgwụ, Jenesis 44:7-10
10. Achọpụtara ọkwá ahụ n'akpà nke Benjamin, ha niile wee laghachịkwuru Josef, Jenesis 44:11-13
11. Josef mara ha ikpé, ma Juda naarịọ mgbaghara nke naemetụ n'obi náekwere na ha bụ ndị ikpé mara n'iru Chineke, Jenesis 44:14-34

**IV Nkọwa nke Josef Kọwaara Onwe-ya**

12. Arịrịọ ahụ nke Juda rịọrọ metụrụ Josef n'obi, Jenesis 45:1
13. Josef naeme ka ụmụnne ya mata ya, Jenesis 45:1-4
14. Site n'ịhụta ezi nchègharị nime ha, Josef gbochiri ha ịtarịta onwe ha ụta, naegosi ha na orire erere ya dịka orù bu otù akụkụ nime àtụ̀mààtụ̀ nke Chineke, Jenesis 45:5-8; 42:21, 22; 44:16; Ndi Rom 8:28-31
15. Josef rịọrọ ha ka ha biri n'Ijipt n'oge fọdụrụ nke ụnwụ̀ ahụ, Jenesis 45:9-15

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Iriarọabụọ na abụọ agawo site n'ụbọchị ọjọọ ahụ mgbe ụmụnne Josef iteghete rere ya nye n'ịbụorù. Oge a nke fọdụrụ ntakịrị ka ọ bụrụ otùụzọ n'ụzọanọ nke otù narị arọ ka Josef nọ naahụ ọtụtụ ahụhụ: ebowo ya ebubo ụgha nke kpatara ya ịhụ ahụhụ n'olùlù nke ụlọmkpọrọeze rue ogologo oge; ma n'ihe dịka ugbò abụọ nime arọ̀ irinaatọ ka o nwere àkụ̀ nke naadị nwaoge, mgbe o jesịrị ozi n'ikwesị ntụkwasịobi ogologo oge, o wee bụrụ náánị ihe agaazapụ n'otù abalị. Ọ matakwara ihe mgbu ahụ nke dị n'inwe agụụ nke ndị èzinaụlọ ya na agụụ nke ịhụ ndị ya na ha bụ otù anụarụ na ọbara bú nke ọtụtụ mmadụ were dịka ahụhụ kachasị ukwuu nime ndụ mmadụ. Karịa nke ahụ, ekewapụrụ ya n'òfùfè nke ezi Chineke. Ma n'ihe ndịa niile, anyị hụrụ na Josef nọgidere n'ikwesị ntụkwasịobi nye Chineke, bụrụ kwa ihe nke dị óké ọnụahịa naenwu kwa n'etiti nsogbu na mmegide dị icheiche, otù ìhè nime obodo nke gbara ọchịchịrị na ihe nlereanya nke ntachịobi dịka ihe nke dị ukwuu n'ala ọ bụla maọbụ obodo.

Baịbụl abụghị náánị akwụkwọ nke naakọ akụkọ banyere Josef. Ndụ ya bụ nnọọ ihe pụrụ iche nke mere na ọ pụtara n'ihe odide ọ bụla nke edere banyere ụmụmmadụ na okwukwe ha. Anyị chọpụtara ebe nrụtụaka dị icheiche banyere ndụ ya na omume ya nke náenweghị ịtaụta dịka ihe ịmaatụ̀ nime akwụkwọ dị icheiche nke dị mgbe ochie na n'iheodide nke ọbịaraọhụụ, na nime akụkọ pụrụ iche nke ihe odide dị icheiche nke ndịokpukpé ọzọ kwekọrịtara karịa otú edere ya nime ezi okpukpé ahụ. Ndị okpukpé ụgha aghaghị ịrịọta eziokwu ụfọdụ iji mee ka nduhie ha bụrụ ihe agaanara nkeọma, ma akụkọ banyere Josef abụrụwo ihe ha naeji gwakọta n'òzízí ha dịka eziihe nke nlereanya nke otù nwoke onye guzoro n'eziokwu ma kwesi kwa ntụkwasịobi nke bú kwa iheatụ̀ nye mmadụ niile ka ha soro ya.

Akụkọ niile banyere mmeso Josef mesoro ụmụnne ya, banyekwara otú o si mee ka ha mata onye ya onwe ya bụ mgbe ọ nwapụtasịrị ha nkeọma, na otú o si zipụ ha ịchịkọta èzinaụlọ ahụ niile rịdata n'Ijipt, bụ nnọọ ihe akọwara

ma sepụta kwa onyinyo ya nkeọma nime akwụkwọnsọ nke mere na ọ dịghị mkpà ịkọwa ya n’ebe a . Otú ọ dị, anyị pụrụ iwepụta isiokwu dị icheiche nke bara urù site na ya iji tụnyere ndụ anyị naadị kwa ụbọchị. Ụfọdụ nime ha ka anyị gaagbalị igosipụta n’ebe a.

Nke mbụ, anyị nwere nnọọ eziokwu pụtara ìhè na apụghị ịgbanarị amamikpè nke mmehie. Iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị nke garaaga gosịrị anyị otú ọmụmaikpé nwanne ha nke ha rere ịba n’orù si naesogharịsị ụmụnne ya iri ahụ ike nime nzọụkwụ ọ bụla nke ha zọnyere n’ogologo arọ̀ ndịa niile. Náenweghị ihe ijuanya ọtụtụ oge ha naecheta arịrịọ nke ọ naarịọ ha mgbe ọ naarapụ ha, na ákwá nke ọ naákwá mgbe ụgbọ ndịijè ahụ naeburu ya jee Ijipt. N’elu ihe ndịnaha n’abalị, n’okpuru kpakpando niile dị n’elu, ka Chineke gwara harị okwu, ná échètara ha omume ọjọọ ha, ma náeme kwa ka ha mara mmehie ha. Ugbu a, mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị, anyị hụrụ na amamikpé nke kpuchiri obi ha apụghị ikwe ka ha hụ nlekọta ọma ahụ nke Josef lekọtara ha site n’iduru ha baa nime ụlọ nke alaeze ya ebe ịnabata ha dịka ọbịa náegosi omume nke ịbụ enyi. Ha chèrè n’obi ha na ọ bụ izù nke imegide ha ka o wee chọta ihe ịma ha ikpé ma were ha dịka ndị orù. N’asụsụ anyị nke oge ugbu a anyị pụrụ ịsị na ha naele ya anya ọjọọ dịka onye naachọ ka “ihe mee” ka o wee boo ha ebubo wee site na nke a napụ ha inwe onweha na àkụ̀naụba ha dịka ndịmkpọrọ n’ụzọ inye ha ahụhụ.

Anyị hụrụ otú Chineke si doo ihe niile n’usoro nke mere na ụmụnne Josef abụọ ahụ bụ́ ndị nọ n’isi mgbe anaere ya ji bụrụ ndị hụrụ ahụhụ karịa ndịọzọ ma bụrụ kwa ndị nọ n’isi n’ijè ahụ nke jupụtara n’obi ọlụ̀lọmmiri nke ha jere n’Ijipt. Nke a nwere mmetụta dị ukwuu nime obi ha ma akọnauche ha, n’iheọ̀mụ̀mụ̀ a dị ebube anyị hụrụ ihe o mere, nke ka nke n’ebe Juda nọ. Mgbe eboro ha ebubo na ha zuru ọkwá Josef n’ori, Juda rịọrọ arịrịọ nke dị omimi, mkwupụta ya mekwara ka Josef mata na ha ahụworị ahụhụ kwesịrị mmehie ha. Iriarọ̀abụọ na abụọ nke Josef nọrọ emebibeghị obinrò ya. Ọ pụghị kwa ijide onweya ọzọ, kama ọ kwara ákwá mgbe ọ kọwara ụmụnne ya onweya.

Nrọ̀ ahụ nke Chineke mere ka Josef rọọ mgbe ọ dị na nwata emezuwo ugbu a mgbe ọtụtụ arọ gasịrị. Ná nrọ̀ ya ọ hụrụ ùkwùọka ụmụnne ya ka ha gbara gburugburu náakpọ “isi-ala” nye ùkwùọka nke ya. Ha akọwo isinrọ̀ ahụ n’onweha wee nwee nwute n’ihi nkọwa ya; ugbu a ha etufughị kwa oge ịkpọ isiala nye ya, náegosi ya nsọpụrụ kachasị bụ́ nke ha pụrụ inye ya, náechetakwaghị mgbe ahụ na ọ bu nwanne ha. Mgbe ụfọdụ, anyị gaechere ogologo oge tutu anyị ahụ́ àtụ̀mààtụ̀ niile nke Chineke ka ọ na apụta ìhè. Oge ụfọdụ ọ pụrụ iwe anyị inwe ntachiobi, mgbe ụfọdụ ichere rue mgbe Chineke gaemezu ya dịka uche Ya si dị, kama anyị gaamata na Chineke naenwe ntachiobi dị ukwuu n’ichere anyị, na ijikere anyị, ka anyị wee nweeike iwere ọnọdụ nke o debeere anyị nime ntọala Ya ahụ nke dị ukwuu.

N’ihe ahụ mere eji boo ụmụnne ya ebubo na ha zuru ọkwá Josef n’ori, ụfọdụ nwere ike ichè na Josef naeme omume nke náekwesịghịekwesị. Nke a bụ kwa nzọụkwụ ọzọ nke Chineke iji weta ụmụnne ya ndị ahụ mpako dị n’obi ka ha rue n’ezi nchègharị.  Onyemmehie naewetara onweya ọtụtụ ahụhụ site n’ịjụ inye Chineke onweya kpamkpam. Anyị gaahụ n’ebe a na ụmụnne ya nwereike iche uche, site n’ihe ha naanwapụta, otú ọ naadịrị mmadụ mgbe ọ bụla eboro ya ebubo ụgha n’ụzọ n’ekwesịghịekwesị wee site na nke ahụ mara ụdị ahụhụ nke ha tinyere Josef nime ya n’oge ọ dị na nwata.

Ha nwere ntụkwasịobi siriike n’ebe ha onweha nọ na ha ezughị ori ọ bụla: náagbanyeghị ihe ahụ nke mere n’oge ọzọ mgbe ha chọpụtara ego ha n’àkpà ha niile, ha kwesịrịike na ha bụ ndị ikpé náamaghị dịka ihe mbé. Chineke naekwenye ka ihe ụfọdụ bịa n’ụzọ anyị iji ya zi anyị nzuzu nke dị n’inwe afọojuju na anyị gaadabere na Ya n’ihe ọ bụla anyị naeme ná ndụ anyị. Omume mpako na inwekarị ntụkwasịobi na ha bụ ndị ikpé náamaghị mere ka ahụhụ ha dị ukwuu karịsịa mgbe achọpụtara ọkwá ahụ --- n’óké ijuanya ha nime àkpà nke Benjamin. Arịrịrọ ntiwa obi ahụ Juda rịọrọ, n’ezie bụ nwute dị omimi nke ha niile nwere. Ọ gaadịworị onye ọ bụla nime ha ụtọ ịnọdụ dịka orù maọbụ ịnwụọnwụ ka Benjamim laghachikwuru nna ha, karịa náánị ha ịlaghachi ná akpọghị Benjamim na ịhụ kwa ọzọ iruuju ahụ doroanya nke agadị nwoke ahụ banyere itụfu nwa ya ọ hụrụ n’anya.

Chineke ahụwo ugbu a na ha ahụzuwo ahụhụ otú o kwesịrị ha, O wee mee ka Josef nwee obi ntiwa n’iru ha ma were ịkwaákwá kọwaara ha na ya onweya bụ nwanne ha nwoke. Nkọwa a nwere mmetụ nke gaesiri onye ọ bụla nime anyị ike ịghọta. Ha gaenweworị nwute na ọñụ agwakọtara ọnụ mgbe ha naele iru nwanne ha onye furuefu ọtụtụ arọ ugbu a. Josef abụrụwo onye ebuliri elu n’obodo nke kachasị ukwuu nke amaara nkeọma n’ụwa n’oge ahụ; ma site na amamihe ya, nke o ji náeresi nị obodo ọzọ ọkà, mere ka obodo ahụ bụrụ nke nwere ákụ̀ karịa ndịọzọ (Jenesis 47:13-26).

Omume nke Josef bụ ihe pụtara ìhè. Ọ taghị kwa ha ụta maọlị. Ọ tụghị ha mmehie ha n’anya; kama ọ nwara ịkasị ha obi n’oge ọnwụnwa ahụ site n’ịgwa ha na Chineke bụrị Onyeisi n’ihe niile nke mere na O bu ụzọ zipụ ya gaa Ijipt ka ewee debe ọtụtụ mmadụ ndụ--- ọ bụghị náánị ndụ nke ndị Ijipt, kama ndụ nke nna ya na nke èzinaụlọ nna ya, onye Chineke sitere n’aka ya tọọ ntọala ịgọzi agbụrụ niile nke ụwa. Àkáedeghị kwa Akwụkwọnsọ n’oge ahụ; ma ndịkom ndịa matara site n’ezi nwapụta, otù eziokwu ahụ dị ukwuu nke dị nime ha, bụ́ nke anyị naesite na ya nwee ọñụ dị ukwuu na nkasịobi: “Ihe nile nālukọ ọlu iwetara ndi huru Chineke n’anya ezi ihe, bú ndi akpọrọ dika ihe Ọ nēzube si di” (Ndi Rom 8:28).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị mere ụmụnne Josef ji jerue Ijipt nke ugbò abụọ?
2. Hà dị ole jere ijè ahụ?
3. Òlee ụdị nnabata anabatara ha?
4. Òlee otú ha si ghọta nlekọta ahụ?
5. Òlee otú ijè ha si metụta Josef?
6. Gịnị kpatara eji nọchibido ha mgbe ha naala?
7. Kwue ihe Juda zaghachiri n’ebubo ahụ?
8. Òlee mmetụta arịrịọ Juda nwere n’ebe Josef nọ?
9. Òlee ihe Josef kwuru bụ́ ihe mere ka eree ya n’ịbụ orù?
10. Josef ò jiri ihe ọjọọ leta ụmụnne ya n’ihe ọjọọ ha mere ya?